# ỤMỤỌHỤỤ N'IME KRAIST

**Ndi Hibru 5:12-14; 6:1-12.**

**IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 437**

**Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ma okporo-uzọ ndi ezi omume di ka ìhè nēnwu enwu, Nke nāmu aga n'iru rue mgbe chi bọchara" (Ilu 4:8).**

Ụmụmmadụ chègharịrị site ná mmehie ha were kwa mkpụrụobi ha nye Onyenweanyị bụ ndị amụrụọzọ, ndị amụbara ná ndụ ọhụụ. Akwụkwọnsọ na agwa anyị na mgbe mmadụ ghọrọ onye nke Kraist naabụ́ "Onye ekère ọhụ" (2 Ndi Kọrint 5:17). Pọl kpọkwara ndị nke Kraist ahụ dị ọhụụ "umu ọhụ n'ime Kraist" (Ndi Kọrint 3:1). Ha ka malitere ijé n'ụzọ onye nke Kraist, elekwasịghị ha anya ịmata ihe niile ekwesịrị ịmata banyere ụzọ onye nke Kraist

**Ịmalite Dị ka Nwaọhụụ**

Anyi adịghị ekwugide mmadụ ọ bụla na o nwere mgbe ọ bụ nwaọhụụ; n'ihi na mmadụ niile malitere ndụ ya dịka nwaọhụụ. Kama ọ dịghị onye ọ bụla naanọ ka nwaọhụụ ogologo mgbe. Ụmụọhụụ ụfọdụ nwereike ibute ọrịa pụrụ ime ka ha ghara itoetó, ha ewee ghọọ ndị mkpụmkpụ (ụmụ akpụda). Ụfọdụ ọrịa ọzọ pụrụ ime ụfọdụ ka ha ghara ijéijè, ha ewee bụrụ ndi ọrịa n'àkwà ha ogologo ndụ ha niile. Ma ihe ndị ahụ niile bụ ihe ụfụ onye ọ bụla n'achọ inyere efè (maọbụ ka ọ ghara imetụta ya).

Otùaka ahụ, anyị agaghị achọ ịnọ ka ụmụntakiri ná ndụ onye nke Kraist. Anyị chọrọ ịbụ ndị nke Kraist gbasiriike, nwe arụ ike ma tolite kwa -- ndị nke Kraist gaanagide nguzògide, ndị náagaghị alaghachiazụ mgbe ihe ịdambà bịakwutere ha, maọbụ mgbe ekwensu gaachọ ịrafu ha site nime ka ha hụ́ ihe nke ụwa n'anya. Ndị nke Kraist gbasiriike n'arụ aghaghị iri ezi nri, nri anyị bụ kwa Okwu Chineke. Anyị matara, nke ahụ n'ihi na Jisọs kwuru ya: "Mu onwem bu nri nēnye ndu: onye nābiakutem, agu agagh-agu ya ma-ọli; onye nēkwere kwa na Mu akpiri agagh akpọ ya nku ma-ọli mgbe ọ bula" (Jọn 6:35). N'ebe ọzọ a gwara anyị na "Okwu ahu we ghọ anu-aru, bú madu, Ọ we biri n'etiti ayi" (Jọn 1:14), ya bu Jisọs. Ya mere ụzọ anyị gaesi too wee ghọọ ndị nke Kraist siriike bụ site n'ịmụsi Okwu Chineke ike. Nwaọhụụ gbasiriike n'arụ chọrọ nnukwu mmiriara ehi; otù aka ahụ, onye nke Kraist gbasirike n'arụ gaachọ kwa "ka agu miri-ara nke okwu Chineke, nke aghughọ nādigh ya, nāgusi unu ike," ka unu were ya na-etó etó rue nzọpụta (I Pita 2:2).

**Iri Anụ**

N'ime ọnwa olenaole mmiriara anaghị eju kwa nwaọhụụ afọ, ewee náenye ya anụ egwereegwe; mgbe nwa oge gatụrụ, mgbe ọ pụrụ ịta ihe, enyezie ya anụ ya otú ahụ, n'egweghị ya egwe. Ò kwesịghị ka Onye nke Kraist si otú ahụ náetolite -- banye n'iri "nri siri ike," karịa ịnọgide n'iri mmiriara? Nke pụtara na ọ gaenwe ike iji obi ya chụọàjà n'ụzọ dị omimi karịa, ọ gaenwe kwa obiike ịnọgide ma debe Iwu ndị ahụ sikarịrịike na Baịbụl, ọ gaenwe kwa ike nke ukwu imeri mmehie. Ọ gaenwe kwa ma karịa nime obi ya ịhụ́n'anya nke Chineke.

Ọ̀ dịworị mgbe ị sịrị, mgbe ụmụ ntakịrị dị ntà karịa gị chọrọ igwusị gị egwù, "Ùnu dị obere nke uku"? Ọ̀ dịworị mgbe ịgbalịrị ịgbapụ n'iru ụmụ ntakịrị kpebiri isogide gi? Ị naechè na ụmụ ntakịrị ndịa bụ náánị nsogbu; ma mgbe ha tolitere dịka ị naeche, nwe kwa uche karịa, ị gaachọpụta kwa na ha bụ ndị gị na ha nwere ike ịnọkọta nwe kwa mmekọrịta.

Òlee ebe itoruworo n'ime mmụọ site na mgbe Onyenweanyị zọpụtara gị? Ị̀ nwela "uche karịa" ma ị ka bụ kwarị "nwa nsogbu"? Pọl sịrị: "Nri siri ike bu nke ndi tozuru okè, ndi anwaworo nghọta-ha n'ihe omume ha nēme mgbe dum itule ihe ọma na ihe ọjọ" (Ndi Hibru 5:14). Ụmụ ntakịrị agaghị aghọ ndị okenye n'imazu Okwu Chineke tupu ha enwe ike ikuziri ndịọzọ. Ma ịnụ Okwu Chineke náánị agaghị enye anyị amamihe nke ime mmụọ. Anyị aghaghị iji Okwu ahụ náebindụ anyị ma ọ bụrụ na anyị ga "nābanu uba n'amara na ọmụma nke Onye-nwe-ayi, bú Onye-nzọputa ayi, Jisus Kraist (2 Pita 3:18).

Mgbe Onyeozi Pọl nọ náedegara ndị nke Kraist bụ ndi Hibru akwụkwọ, ọ sị na ọtụtụ nime ha bụ ndị "anagh anu ihe oṣọṣọ." Ikekwa ha anụwo mkwusa ozi Pọl, na mkwusa ozi ndịozi Kraist ọzọ, kama

ha anabataghị ya n'obi ha. Ha etinyekwaghị uche na ya, maọbụ mụta ihe site na ya. Mgbe ụfọdụ anyị na ekwukarị na ihe anyị kwuru si n'otù ntị wee site na ntị ọzọ pụọ. Onye nụrụ ya eriteghị urù n'ihe ọ nụrụ.

**Imereonwe Onyeebere**

Ọ naadịkarị mkpà mgbe niile inwe ndị-nkuzi tozuru ókè n'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ nke Okwu Chineke, n'ihi ya mmadụ niile kwesịrị ibido ọ̀mụ̀mụ̀ ihe ngwangwa azọpụtara ha ka ha wee nweeike ikuziri ndị ọzọ na mgbe náadịghịanya. Ma ụfọdụ mmadụ adịghị anwa ịmụta ihe. Ha naachọ ka ndịọzọ náenyere ha aka mgbe niile. Ha naachọ ịnọgide dịka ụmụọhụụ n'enwe onye ganaenyere ha aka ijéịjè. Kama ha gaapụ ga leta ndị arụ náadịghị ike, ma nyere kwa ndịọzọ aka, ha gaanọdụ n'ụlọ ha náemere onwe ha ebere n'ihi na ọ dịghị onye bịara ileta ha. Ụzọ kachasị mma ichefu nsogbu gị ma ọ bụrụ na onwe nke inwere -- bụ ịchọpụta onyeọzọ ihe sịrịike karịa gị onwe gị, na ime ihe gaenyere ya aka. Ọ̀ dịwo mgbe ị nụrụ okwu ahụ anaekwu náasị, "Akwaram ákwà n'ihi na-enweghịm akpụkpọ-ụkwụ -- tutu mu ezute onye náenweghị ụkwụ abụọ"? Gịnị ka o mere ma ọ bụrụ na anyị enwee ebe sịrị ike ịgabiga na ndụ anyị? Onyenweanyị ekwewo mkwà na Ya gaanọnyere anyị n'akụkụ inyere anyị aka. Anyị agaghị atụ̀ egwù ihe ọ bụla.

Ka anyị dị ka Keleb na Joshua dị mgbe ndịnledo ọzọ ahụ gara ledo ala Keneaan nọ náakwá ákwà n'ihi òkóróukwu niile ha hụrụ n'ala ahụ. Keleb na Joshua sịrị: "Ọ buru na ihe ayi atọ JEHOVA utọ, Ọ gēme kwa ka ayi ba n'ala nka, Ọ gēnye kwa ayi ya; bú ala nke miri-ara-ehi na manu-añu nēru nime ya." (Ọnu-ọgụgụ 14:8). Nke ahụ bụ ihe nzuzo nke ịga n'iru nke Onye nke Kraist: ibi ụdị ndụ mmasị n'iru Chineke. Mgbe ahụ ka Ọ ga naenye mmeri mgbe niile. "Ọ gagh-egbochi ezi ihe n'ebe ndi nējeghari n'izu-okè nọ" (Abù Ọma 84:11).

**Nzọpụta Site Na Jisọs**

Pọl nyefesịrị nnukwu mgbaghara mkwusa nke oziọma ya n'ịkọwara ndị Hibru na Jisọs bụrị, Ọkpara Chineke n'ezie. Kama o nwe kwararị ọtụtụ ihe ndịọzọ ikwusa. Ị "kwere n'Onye-nwe-ayi Jisus, agazọputa kwa gi" (Ọlu Ndi-ozi 16:31), bụ ezigbo mbido dịrị Onye-nke-Kraist. Enweghịike ịzọpụta mmadụ ma ọ bụghị na o kwere na Jisọs bụ Ọkpara Chineke. Ndị Ju nọ n'ele anya Mesaia ka Ọ bịa, kama ọtụtụ nime ha ekweghị na Jisọs bụ Onye Ahụ ha nọ n'ele anya ya. N'ihi ya azọpụtaghị ha. "Ọ biakutere ihe nke aka Ya, ma ndi nke aka Ya akpọbatagh ya. Ma ka ha ra, bú ndị nara Ya, ha ka Ọ nyere ike ighọ umu Chineke, bú ndi kwere n'aha-ya" (Jọn 1:11, 12). Nke ahụ dị mma -- kama ọ bụrị náání mbido.

**Itozuòkè Nke OnyenkeKraist**

Mgbe azọpụtasịrị ayị, ga-aga n'iru ba n'itozu-okè Nke ahụ nwere mbido ya site n'odudo nsọ, nke anakpọkarị itozu-oké nke Onye-nke-kraist. Enwere nnuku ịhụ n'anya nke Chineke, n'oge ụfọdụ ana-eji ya atụnyere oké osimiri. Otù onye ode-abù dere:

**"Mbara k'osimiri**
**Dị kwa elu k'el'igwe**
**Dị omimi k'osimiri**
**B'ị hụ́n'anya Kraist."**

Anyị gaenweta ịhụ́n'anya Chineke karịa n'ime obi anyị ka anyị naaga n'iru ijéré Onyenweanyị ozi, na ịchọsị Chineke ike n'ihi ngọzi niile O nwere inye anyị. Mgbe anyị natara ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ n'obi nke asachasịrị doo kwa nsọ, anyị naenwebiga ịhụ́n'anya nke Chineke ókè. Ọ bụrụ na ụmụmadụ achọghị ihe nke Chineke dị omimi karịa, ha nọ n'ihe egwù site n'itufu ihe nke ha nwere. Chineke nwere obiebere, na mgbe mmadụ dapụrụ site n'ụzọ nke OnyenkeKraist wee laghachiazụ, Ọ ga agbaghara ma onye ahụ chègharịa.

**Ndaghachị azụ Site N'Okwukwe Ekwere Nambụ**

Ma ndị ụfọdụ anaghị achọrị ịgbá mgbọrọọgwụ nime okwukwe. Ha naadapụ n'amara, site n'oge rue n'oge, n'ikpeazụ ha nwere ike site n'ebe Chineke nọ pụọ rue mgbe Ọ dịghị agwa kwa ha okwu ọzọ. Yà bụrụ kwanu na Chineke adịghị agwa kwa ha okwu ọzọ? Ha gaatụfuworị ohere niile dịrị ha inweta

nzọpụta. N'ihi na Mmụọ Chineke na ama onye dapụrụ n'amara ikpé, olileanya dịrị ya ịlaghachikwute Onyenweanyị, ma mgbe Mmụọ ahụ náadịghị akpọkwa ya ọzọ ka o chègharịa, ọ gamiwo nime mmehie -- ọ rapụwo kwa ụzọ nke Oziọma. Mgbe ọ bụla mmadụ dapụrụ site n'amara, ọ gadị ka ọ kpọgidere Jisọs n'obe ọzọ. Ọ bụ n'ihi mmehie anyị ka Jisọs jiri nwụọ; ya mere na anyị achọghị ịdị náemeghie kwa mgbe azọpụtasịrị anyị. Lee ụdị ihe mgbu ọ ga abụrụ onye azọpụtaworo ịdapụ n'amara rue mgbe ọ nagaghị enwezi kwa mmetụta nke ikpọ òkù nke Mmụọ Chineke! Anyị chọrọ isoro n'etiti ndị ahụ Pọl kwuruokwu banyere ha, ndị "site n'okwukwe na ntachi-obi ketara nkwa ahu." Ná iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị nke náeso, anyị gaekwukwa ihe mkwà ndị ahụ bụ.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị bụ nri mbụ nke nwaọhụụ?
2. Gịnị ka o naeri ma ya tolitetu?
3. Òlee ndị bụ ụmụọhụụ nime Kraist?
4. Òlee otù ụmụọhụụ nime Kraist pụrụ isi tolite?
5. Òlee otú Keleb na Joshua siri dị iche site n'ebe ndịnledo ọzọ ahụ di?
6. Gịnị bụ ihe ngosi eji anata mkwà Chineke?
7. Gịnị naeme ma mmadụ si n'amara náadapụ mgbe niile?
8. Òlee otú anyị pụrụ isi keta mkwà Chineke?